Mee Ka Obi Sie Gị Ike na Ịnọ n'Amaghị Nwoke ma Ọ Bụ Nwaanyị Dị Mma

Baịbụl sịrị: "Zere ịkwa iko." (1 Ndị Tesalonaịka 4:3) Mee ka obi sie gị ike na iwu Chineke nyere banyere mmekọahụ bụ maka ọdịmma gị. Ihe ga-enyere gị aka bụ iche banyere ihe ịkwa iko nwere ike ịkpatara gị.

Iwu Chineke ọ na-eke mmadụ agbụ?

Gịnị mere Chineke ji nye iwu ka ndị na-abụghị di na nwunye ghara ime ihe a nwere ike ịtọ ha ụtọ?

Chebagodịrị ihe ndị a echiche…

MEE YA



NKE 1

IHE NA-AGỤ GỊ

NKE 2

IHE NDỊ ỌGBỌ GỊ CHỌRỌ KA I MEE

NKE 3

OHERE YA DAPỤTA

NKE 4

IHE NWERE IKE ISI NA YA PỤTA

JỤ IME YA



Ọtụtụ ndị na-eto eto kwara iko tupu ha alụọ di ma ọ bụ nwunye na-emecha kwaa mmakwaara. **Gịnị ka i chere mere ha ji akwa mmakwaara?**

_____

_____

Nke bụ eziokwu bụ na ụmụ agbọghọ na-achọ nwa okorobịa **ga-echebe** ha, ọ bụghị onye ga-emetọ ha. Ụmụ nwoke anaghịkwa enwe mmasị n'ụmụ agbọghọ ndị na-ekweta eme ihe ọ bụla nwa okorobịa gwara ha ọ bụrụgodị ihe ọjọọ. **Gịnị ka i chere mere o ji dị otú ahụ?**

_____

_____

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

DEE IHE Ị GA-EME

Zaa ajụjụ ndị a.

NKE 1

IHE NA-AGỤ GỊ

Gịnị mere na ọ bụghị mgbe niile ka e kwesịrị iwere agụụ mmekọahụ ka "onye iro"?—**Gụọ Ilu 5:18, 19.**

Ọ̀ bụ naanị agụụ inwe mmekọahụ bụ ihe na-agụsikarị gị ike? (Chọpụta ihe ndị ọzọ na-agụsi gị agụụ ike ime.)

Ọ̀ bụ ihe ọ bụla gụrụ gị ka ị na-eme ozugbo ahụ ọ gụrụ gị? EE MBA

Ì kwetara na ị ga-ejideli onwe gị ma agụụ mmekọahụ gụwa gị? EE MBA

Ebe ọ bụ Chineke kenyere agụụ mmekọahụ n'ime mmadụ, bụrụkwa yanwa sịrị na i kwesịrị ịna-ejide onwe gị, gịnị ka obi siri ya ike na ị ga-eme?—**Gụọ 1 Ndị Tesalonaịka 4:4.**

NKE 2

IHE NDỊ ỌGBỌ GỊ CHỌRỌ KA I MEE

Gịnị ka i chere mere ụfọdụ ji achị ndị na-enwetụbeghị mmekọahụ ọchị?

Gịnị mere ndị ọgbọ gị nwere ike iji chọọ ka ị kwaa iko?

Olee otú i kwesịrị isi na-ele ndị chọrọ ka i mebie iwu Chineke anya?—**Gụọ Ilu 13:20.**

NKE 3

OHERE YA DAPỤTA

Olee ụdị ndị ma ọ bụ ụdị ebe ị ga-achọ izere ka ọnwụnwa ịkwa iko ghara ịbịara gị?

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

NKE 4
IHE NWERE IKE ISI NA YA PỤTA

Onye na-eme omume rụrụ arụ agaghị agbanwe naanị maka na ọ lụọla di ma ọ bụ nwunye. Olee otú ihe a doro anya si gosi na i kwesịghị inwe mmekọahụ mgbe ị na-alụbeghị di ma ọ bụ nwunye?—**Gụọ Ndị Galeshia 6:7, 8.**

Olee uru i chere ọ bara ma ọ bụrụ na mmadụ enweghị mmekọahụ tupu ọ lụọ di ma ọ bụ nwunye?

Ì kwetara n'eziokwu na irube isi n'iwu Chineke gbasara mmekọahụ ga-eme ka ị na-enwe obi ụtọ kama ịna-eme ihe ndị ọgbọ gị chọrọ? Ọ bụrụ na i kwetara, gịnị mere i ji kweta?

KPEBIE IHE Ị GA-EME

NKE 1—IHE NA-AGỤ GỊ
Ọ bụrụ na ọnwụnwa abịara m ka m kwaa iko, ihe ndị m ga-eme bụ:

NKE 2—IHE NDỊ ỌGBỌ GỊ CHỌRỌ KA I MEE
Ọ bụrụ na ndị ọgbọ m achịwa m ọchị na enwetụbeghị m mmekọahụ ma ọ bụ ha achọọ ka m nwee mmekọahụ, ihe m ga-agwa ha bụ:

NKE 3—OHERE YA DAPỤTA
Ọ bụrụ na m nọ n'ebe nwere ike ime ka m kwaa iko, ihe ndị m ga-eme bụ:

Ị GA-EMERILI!

Ọ bụrụ na i mee ka obi sie gị ike ugbu a n'ihe ndị i kweere, ọ ga-eme ka i mee ihe dị mma, a sịgodị na ndị ọgbọ gị chọrọ ka ị kwaa iko.

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania